# ỌKPỤKPỌ ÒKÙ NKE OZIỌMA NA ỌLỤ YA DỊ ICHE ICHE

## Matiu 11:20-30

### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 82 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Biakutenum, unu nile ndi nādọgbu onwe-unu n'ọlu, ndi ebowo-kwa-ra ibu di àrọ́, Mu onwem gēme kwa ka unu zuru ike" (Matiu 11:28).**

**I Atara Ụfọdụ Obodo Ụta**

1. Atara Korazim na Betsaida ụta n'ihi na ha jụrụ ichègharị, Matiu 11:20; Ilu 1:24-31; Jeremaia 44:5, 6
2. Asị na Jisọs lụrụ ọlụ ukwu Ya dị iche iche na Taia na Saidọn, ndị ahụ ga-echègharịworị, Matiu 11:21; Luk 10:13; 11:31; Nkpughe 2:21; Luk 13:2-5
3. Taia na Saidọn ga-anagide ikpé, ma Kapanaum nke eweliworo ruo eluigwe ka a ga-eweda ruo Hedis, Matiu 11:22-24; 23:12; Aisaia 14:13-15; Abù-Ákwá 2:1, 2

**II Oziọma Ahụ Ezoworo**

1. Ezonarịrị ndị amamihe na ndị nwere nghota Oziọma ahụ wee kpugheere ya "umu ọhu," Matiu 11:25, 26; Abù Ọma 8:2; 1 Ndi Kọrint 1:19; 2 Ndi Kọrint 4:3
2. Araara ihe niile nye n'aka Ọkpara ahụ, Matiu 1:27; Jọn 3:35; 13:3; Ndi Hibru 2:8; 1 Ndi Kọrint 15:27, 28

**III Ókú Nke Oziọma ahụ**

1. Ekwere mkwà izu ike nye ndị ike gwụrụ na ndị eboro ibu dị árọ ma ọ bụrụ na ha ga-abịa, Matiu 11:28; Aisaia 53:4; 28:12; Ọpupu 33:14
2. Yoke Ya adịghị egbu mgbu, ibu Ya dị kwa mfé, Matiu 11:29, 30; 1 Jọn 5:3

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Ekwupụtara Ikpé Dị Iche Iche**

Jisọs nọrọ ọtụtụ mgbe n'akụkụ Óké osimiri nke Galili n'oge ijéozi Ya. Ọ lụrụ ọtụtụ ọlụ ebube n'etiti ndị Galili a; n'ágbanyeghị nke a obi nke igwè mmadụ ahụ jupụtara n'isi ike na ekweghị ekwe. O jiri ọgbọ ahụ tụnyere ụmụntakịrị ndị na anọdụ n'ọmà ahịa ná-akpọ ibe ha ókú, sị, "Ayi gburu unu ọ̀jà, ma unu etegh egwú; ayi kwara ákwá ma unu etigh aka n'obi" (Matiu 11:17). Jọn Onye-ọwụ-mmiri bịakutere ha ná-ebu ọnụ ná-eru kwa uju, ná-ekwusa nchègharị, ọtụtụ jụrụ ịkwá ákwá banyere mmehie ha. Nwa nke mmadụ jiri ozi ọñụ nke nzọpụta bịa; Ọ gwọrọ ndị ọrịa mee kwa ka ndị ekpenta dị ọcha; ma ọtụtụ mmadụ jụrụ ịñụrị ọñụ.

Mgbe ahụ O wee taa obodo ahụ ụta bú ebe Ọ lụrụ ọtụtụ nime ọlụ Ya dị ike nime ha, wee kwuo sị na ọ bụrụ na alụrụ ọlụ niile ahụ nime Taia na Saidọn, ndị ahụ ga-echègharịworị n'ákwà mkpé na ntụ́. "Gi onwe-gi kwa, Kapanaum, àgēweli gi rue elu-igwe? i gārida rue Hedis: n'ihi na asi na aluru ọlu nile di ike na Sọdọm nke aluru nime gi, ọ gānọgidewori rue ta. Otú ọ di, asim unu, na ala Sọdọm gānagide okwu n'ubọchi ikpé kari gi." Nke a dị ka ọ na-egosipụta na obi ndị ahụ na-esi ike karịa ka ọtụtụ arọ na-aga. Ọ bụghị ihe ijuanya na Onyenweanyị jụrụ sị, "Mgbe Nwa nke madu gābia, Ọ̀ gāhu okwukwe n'elu uwa?" Ọ bụrụ na Onyenweanyị tara obodo ndị ahụ ụta, mgbe ìhè nke Oziọma a dị ebube kà na-amalite inwupụta n'elu ụwa, gịnị ga-abụ ikpé nke ndị nọ n'ụwa n'ụbọchị ndịa n'okpuru ìhè ahụ ná-enwusi ike nke mmiri òzùzò ikpéàzụ̀ ahụ nke Oziọma?

**Ọlụ Dịịrị Mmadụ**

Jisọs gwara ndị Farisii otù ụbọchị, "Ndikom Nineve gēso ọgbọ a bilie n'ikpé ahu, ha gāma kwa ya ikpé: n'ihi na ha chègharịrị ná nkwusa nke Jọna; ma le onye ka Jọna nọ n'ebe a" (Matiu 12:41). Akụkọ banyere Jọna na-egosi anyị n'ụzọ pụtara ìhè ọlụ dịrị ndị nke Chineke ịkọ akụkọ ahụ, na ọlụ nke dịrị ndị ahụ nke ná-anụ ya. Jona nwara ịrapụ ọlụ ahụ site n'ịgbanarị Onyenweanyị. Mgbe ahụ o wee daba ná nsogbu riri nne wee tikuo Onyenweanyị maka inyeaka. Onyenweanyị zigaara ya inyeaka, ma Ọ rụgidere Jọna gaa n'iru iburu ozi ahụ jee Nineve.

Taa ndị nke Chineke bụ ndị nche n'elu mgbidi. Ọ bụ ọlụ dịrị ha ịkọrọ ụwa banyere ikpé nke ná-abịa. Ọ bụrụ na anyị, dịka ndị Kraist, adọọ ụmụ mmadụ aka-ná-ntị ha wee ñaa ntị, ọ bụghị náánị na anyị napụtara mkpụrụobi nke anyị kama azọpụtawo ndịọzọ site n'ọnwụ; ma ọ bụrụ na anyị arapụ ịdọ ha aka-ná-ntị, Onyenweanyị sịrị na Ya ga-ajụta ọbara ha n'aka anyị (Ezikiel 33:1-9). Dịka ndị nché, anyị nwere ọkpụkpọ ókù dị elu na ọlụ dị ukwuu.

Ọtụtụ mgbe ná mmechi nke nzukọ, ndị ụkọchuku anyị asịwo, "Ayị akọworo gị akụkọ ahụ site n'abụ, n'ihe ịgba-àmà, ya na ikwusa Okwu ahụ; ọlụ nke ime otú a dị ayị n'isi. Ugbu a enyefewo gị ya: ị ga-anara ya ka ị ga-ajụ ya?" Ọtụtụ mmadụ amawo jijiji site n'amamikpé nke obi mgbe a na-ekwupụta ikpé dị iche iche nke Chineke site n'ọnụ onye ụkọchuku ahụ etere mmanụ; ma dịka Feliks mgbe ochie, ha na-edebe ya ruo mgbe ọzọ ha ga-enwe ohere, ma, eleghịanya dịka ya, kwa, ha adịghị ahụ ohere ọzọ.

Anyị ekwesịghị iji ihe a dị mkpà bụ́ inwe ndụ ebighị ebi mee ihe efù: ọ dịghị onye ekwere mkwà na echi ga-abụ nke ya. "Ta, ọ buru na unu gānu olu-ya, unu emela ka obi unu sie ike" (Ndi Hibru 4:7).

**Ekweghị Ekwe**

"N'ihi na Chineke ezitegh Ọkpara-Ya n'uwa ka O kpe uwa ikpé kama ka ewe site n'aka Ya zọputa uwa. Ekpégh onye kwere na ya ikpé: ekpewo onye nēkwegh na Ya ikpé ugbu a, n'ihi na o kwegh n'aha nke Ọkpara Chineke muru náni ya" (Jọn 3:17, 18). Ndị obodo Kapanaum hụrụ ọlụ dị ike nke alụrụ; ma ha jụrụ ichègharị wee kwere. Mkpụrụ aghara n'ala nkume nke ná-enweghị ájá dị omimi na-akpọnwụ ngwa ngwa. Ọ bụrụ na emeghee obi, mkpụrụ ahụ bụ́ Okwu Chineke – ga-agba mkpọrọgwụ wee too mịpụta kwa mkpụrụ ndụ ebighị ebi, ụfọdụ iri atọ, ụfọdụ iri isii, ụfọdụ kwa otù narị. Okwu ahụ dị ndụ ná-alụsi kwa ọlụ ike ma dịka mmadụ nke nwere mmụọ nrọrọ onye ọ bụla nwere ike inara ya ma ọ bụ jụ ya.

Ọtụtụ nime obodo ukwu anyị taa nọ nime mmehie dị ike nke ekweghị ekwe, dịka Korazin na Betsaida. Ha anụwo eziokwu ahụ ma ha gbakụtara ya àzụ́ wee chee iru n'omen'ala, òtù nzuzo, ịrụ ụka dị elu, na mnwoghapụta. Ọtụtụ nwere ụdị nke nsọpụrụ Chineke ma gọnarị ike dị nime ya. Okwu ahụ na-agwa anyị sị "Gi gbakuta kwa ndia azu" ( 2 Timọti 3:5).

**Ekpughere Nye Ụmụ Ná Añụara**

Jisọs kelere Nna na O zonarịrị ndị amamihe na ndị nwere nghọta ihe ndịa ma were kwa ha kpugheere ụmụ ọhụụ. Pọl sịrị, "Ọ digh ọtutu ndi mara ihe dika anu aru si mara ihe, ọ digh ọtutu ndi-ike, ọ digh ọtutu ndi amazuru aha-ha, ka akpọrọ" (1 Ndi Kọrint 1:26). Na Jọn 1:12 anyị na-agụ sị, "Ma ka ha ra, bú ndi nara Ya, ka O nyere ike ighọ umu Chineke, bú ndi kwere n'aha-Ya."

Ọ bụghị na Chineke achọghị ka ha hụ́ kpatara O jiri zonarị ndị maara ihe na ndị nwere nghọta ihe ndịa. Ekpughewori Chineke site n'òkìkè Ya na ọlụ Ya niile, site kwa n'Okwu Ya, kama ndị amamihe na ndị nwere nghọta ajụwo Chineke wee guzobere onweha nchépụta nke ùkpùrù nke aka ha nke ụfọdụ ha na-ewezuga Chineke dịka onye òkìkè. Obi ha wee gbaa ọchịchịrị n'ihi na ha jụrụ ịnara eziomume nke Chineke; ha wee nwaa iguzobe eziomume nke aka ha. Site n'ikwupụta na ha bụ ndị maara ihe ha wee ghọọ ndị nzuzu (Ndi Rom 1:16-22). "Ọ bu ihe-nzuzu nke uwa ka Chineke rọputara, ka O we me ka ihere me ndi mara ihe; ọ bu kwa ihe nādigh ike nke uwa ka Chineke rọputara ka O we me ka ihere me ihe di ike; … ka anu-aru nile, bú madu, we ghara inya isi n'iru Chineke" (1 Ndi Kọrint 1:27, 29).

**Yoke Dị Iche Iche**

Ihe mmadụ niile kwekọrịtara bụ na okwu ahụ bụ́ "yoke" pụtara ihe osisi ana-akwụba n'olu anụụlọ a na-ejikọta ọnụ maka ịdọkpụ ihe. Ọ bụrụ na otù nime anụụlọ ahụ agaa n'iru ma nke ọzọ anọdụ n'àzụ̀, yoke ahụ ejide ha. Jisọs sịrị, "Nyaranu yoke nkem n'olu-unu, muta-kwa-nu ihe n'ọnum" (Matiu 11:29). Ọ bụghị nááni na Ọ na-achọ ka anyị nyara yoke Ya ka ewee jikọta anyị na Ya kama Ọ chọrọ ka anyị mụta isoro Ya lụkọọ ọlụ na ịlụrụ Ya ọlụ. Ka anyị ná-amụta ijé dịka uche Ya si dị, yoke Ya agaghị egbu mgbu ibu Ya ga-adị mfé. Ma ọ bụrụ na anyị alaghachị àzụ̀, mgbe Ọ na-agbalị iduzi anyị, anyị na-enweta nsogbu. Okwu ahụ sịrị na ọ dị mma ịnyara Yoke ahụ n'oge anyị dị n'okorọbịa (Abù Ákwá 3:27).

Mgbe Solomon nwụsịrị, ụmụ Israel wee bịakute Rehoboam ime ya eze, ha sịrị, "Nna gi mere yoke ayi ka o sie ike: ma ugbu a me ka ọ di nfe kari, bú òfùfè siri ike nke nna-gi, na yoke-ya di arọ́ nke ọ tukwasiri ayi" (2 Ihe Emere 10:4). Ma eze ọhụụ ahụ egeghị ha ntị. Ekwensu adịghị eme ka ibu ahụ dị mfé. Mgbe dum Jisọs na-eburu akụkụ ibu ahụ nke ka arọ́ wee mee ka ọ dị mfé.

**Òkù Nke Oziọma Ahụ**

"Biakutenum, unu nile ndi nādọgbu onwe-unu n'ọlu, ndi ebowo-kwa-ra ibu di arọ́." Ọ̀ bụghị ihe iju anya na ọtụtụ mmadụ na-arịa ọrịa n'arụ, ma ọ bụ ná-arịa ọrịa mkpụrụobi, ma ọ bụ n'ụdị mkpà ọ bụla tupu ha enwei ke nabata òkù nke Oziọma? Jisọs matararị na ọ ghaghị ịdị otú a, ya mere O wee ná-akpọ "ndi ebowo-kwa-ra ibu di arọ́" ka ha bịa.

Ndị nọ nime nsogbu taa nwere ike chọọ iru Jisọs, Ọ ga-enye ha izu-ike. Onyenweanyị na-esetịpụ aka Ya abụọ ná-asị "Biakutenum … Mu onwem gēme kwa ka unu zuru ike." O! izu ike nke dị ebube! Lee ka ọ ra, bụ́ ịdị arọ́ nke ibu ahụ a na-ebupụ mgbe ọ bụla mkpụrụobi ahụ bịara. Ọ dịghị akpọ nááni mmadụ ole na ole ndị ike gwụworo, ná-arịa kwa ọrịa kama Ọ na-asaghepụ aka Ya nye ụwa niile nke furu efu ná-asị, "Onye nāchọ, ya bia nara miri nke ndi ahu n'efu" (Nkpughe 22:17). Òlee ụzọ ọzọ Chineke ga-esi ná-akpọ óké ókù Ya nye mmadụ niile n'efù? Òlee otú ụwa nke furu efu ga-eji dị nzuzu karịa, ná-achọghị ime ngwa ngwa nara ya dịka ụwa dị taa? "Ta ọ buru na unu gānu olu-Ya, unu emela ka obi-unu sie ike" (Ndi Hibru 4:7).

## AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Òlee ndị Chineke na-akpọ òkù nke Oziọma ahụ?
2. Gịnị bụ̀ mmehie ahụ kachasị ukwuu?
3. Gịnị bụ̀ ọnọdụ nke Kapanaum?
4. N’aka ònye ka Chineke nyere ihe niile?
5. Ònye ka ekpugheere Oziọma?
6. Gịnị ka Kraist na-ekwu mgbe Ọ sịrị na yoke nke Ya adịghị egbu mgbu?
7. Gịnị bụ̀ ọlụ dịịrị ndị nsọ nime Oziọma?
8. Mgbe ekwusasịrị Oziọma nime obodo, onye ka ọlụ fọdụụrụ?
9. Asị na alụrụ ọlụ ebube niile nke Jisọs nime Taia na Saidọn gịnị ka ha ga-emeworị?